# NDỊ NTOROBỊA NA "IBUTE IKE" N'OGE UGBU A N'EJIJE *ERIRI MARA NGWUGWU* NA *IJE EGO*

**Chioma C. Anagor**
Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịtaozi
Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka
cc.anagor@unizik.edu.ng

**Ụmịedemede**
Ọchịchọ isonye n'ihe a na-eme na inwe ọnụ okwu n'obodo, edubala ọtụtụ ndị mmadụ tụmadị ndị ntorobịa n'oke ọchịchọ n'ihi na ndị Igbo kwenyere na ọ bụ onye kpụ igu ka ewu na-eso. Ọtụtụ mmadụ n'oge ugbu a chọrọ ịma ma aha gị ọ na-ada ụda tupu ha emeere gị ihe ọbụla. Nke a mere na ọtụtụ ndị ntorobịa achọghị ịma akwụ chara acha na nke achaghị; ihe ha ma bụ si gbute ya etu ọbụla. Ọzọ, ndị kpatara akụ na-enwe enyi ndị a na-anụ aha ha anụ na ndị ji ike n'ọkwa gọọmentị n'otu ụzọ maọbụ ụzọ ọzọ. Nke a pụtara ihe n'okwu ndị ntorobịa na-asị "sowe ndị ma ụzọ". Ihe niile a mere ụfọdụ ndị ntorobịa ji gbaa isi akwara ịhụ na ha kpatara ego n'ụzọ abụla ụzọ iji nwee akụnaụba na ike n'oge ugbu a. Ọnọdụ dị etu a ebutela oke iwepụ ndụ na ime ihe ntị na-asọ oyi. Ọ bụ ihe ndị a kpaliri mmụọ odee ileba anya n'ejije Igbo wee zipụta etu odee ejije ndị a si zipụta ya n'ihi na agụmagụ bụ enyo e ji ahụta ndụ. Nchọcha a gbasoro Usoro nkọwa ma gbado ụkwụ n'atụtụ saikoanalisis nke Sigmund Freud tụpụtara n'afọ 1856-1939 wee tụchaa ejije ndị a họọrọ iji mee ka isiokwu a doo anya. A chọpụtara na ọtụtụ ndị mmadụ na-eme mpụ na arụ dị iche iche iji nwee ego ma sonye n'ihe a na-eme n'oge ugbu a. A hụkwazịrị na okwu nne na nna ụfọdụ na-agwa ụmụ ha so eduba ha ime ihe ọbụla iji dị ka ndị ntorobịa ibe ha. Nchọcha a mere ka a mara na e nwere ihe dị iche n'ịkpata ego na ibute ike maka na ịkpata ego bụ ịrụ ọrụ ziri ezi maọbụ site n'akaọrụ mmadụ nwere wee nwee ego mana ibute ike bụ mmadụ isi n'ụzọ abụla ụzọ wee baa ọgaranya. Nchọcha a ga-eme ka o doo ndị ntorobịa anya na akụ enweghị be ya mere ka onye ọbụla were ụwa nwayọọ. Ọ ga-emekwa ka ndị nne na nna tinye anya n'ihe ụmụ ha na-arụ. Ebe agụmagụ bụ enyo e ji ahụta ndụ, ọ dị mkpa ka ndị odee agụmagụ Igbo nyekwara aka ịkatọ ndụ oke ọchịchọ site n'izipụta ọghọm ya n'akwụkwọ ha ma mee ka ndị mmadụ mata na ezi aha ka ego n'ihi na akụ enweghị be.
**Ọkpụrụkpụ okwu:** "Ibute Ike" na "Oke Ite"

## Ndubanye

Agụụ ịkpata ego na-agụ ma onye ukwu ma onye nta mana ihe dị iche bụ ụzọ e si akpata ego na akụnaụba. Onye Igbo ọbụla na-agbasi mbọ ike inwe ihe ọ na-arụ nke bụ ebe ọ ga-esi kpata ego maka na ọ maara na agbụrụ ndị Igbo anaghị anabata ịrịọ arịrịọ maọbụ umengwu. Nke a mere na mgbe Igbo bụ Igbo, ụmụnwoke na-aga mụọ ahịa n'aka onye na-eme nke ọma n'ahịa ahụ ha chọrọ ịzụ. Onye gbaa boyị ihe dị ka afọ ise ruo asaa dị ka e si kpata, ọga ya eduo ya ụlọ site n'inye ya ego ga-ezuru ya imalite nke ya maọbụ nye ya obere ego na ọnụụlọ ahịa ma hapụkwa ya ka ha zụkọọ ọnụ otu afọ maọbụ karịa iji hụ na ọ daghachighị azụ. Nke a pụtara ihe na ndụ Omenụkọ n'iduuazị *Omenụkọ* mgbe nne na nna ya dugara ya na nke Omemgbeoji ka ọ mụọ ahịa. Mgbe ọ mụchara ahịa, ọga ya duru ya ụlọ nke mere na ọtụtụ ndị dunyere Omenụkọ ụmụ ha ka o mugosi ha ahịa n'ihi na ha hụrụ na o sila n'ahịa ọ mụrụ mewe nke ọma. Nwana (1933: 2) kọwara ya etu a;

> …Omenụkọ nọdụrụ n'aka onye na-ezi ya ịzụ na ire wee tolite. Aha onye nwe ya bụ Omemgbeoji. Nna ya ukwu wee nye ya ihe ọ ga-eji malite ịzụ ahịa nke ya, Omenụkọ wee kelee nna ya ukwu ekele nke ukwuu. Omemgbeoji sịrị ya, "ka ihe dịkwara gị mma; ka ndị gị feekwaa gị ofufe dị ka i fere m. Gaa nke ọma". Omenụkọ wee zụwa ihe nke aka ya, ma ọ na-akwụnye n'ahụ nna ya ukwu bụ Omemgbeoji wee na-azụ. O wee ruo mgbe o nwetara ego nke ga-ezuru ya, ọ hapụ nna ya ukwu.
> …Mgbe ọtụtụ mmadụ hụrụ na ọ mụtara ịzụ na ire ahịa, ụfọdụ were nwa ha nye ya ka o zi ha ụzọ ha ga-esi azụ ahịa.

N'oge gboo, ndị ntorobịa na-agba mbọ n'ụzọ dị mma iji hụ na ha kpatara ego ha ga-eji lekọta ndụ dị ka; {gba mgba, igbu ichi, igbu akwụ, igburu ndị mmadụ nkụ, ịkọ ugbo, ịgba nta dgz. Mana mgbe mmepe obodo batara, ọtụtụ ụzọ ndị a esi achụta ego malite ịnyụ ka ọkụ ebe ụzọ ndị ọzọ mmepe wetara meghere site n'ikike agụmakwụkwọ dị ka ịrụ ọrụ oyibo, iji ngwaọrụ pụrụ iche rụọ ọrụ n'ugbo, isonye na ndị asọmpi dị iche iche, azụmahịa na mba ofesi, idozi ụgbọ e ji eme njem, isi n'ọwa ikuku kpata ego, ime ejije dgz dị ka Ubesie (1973:1-2) zipụtara ịrụ ọrụ oyibo na ndụ Ada. Ebe ọ kọwara ka obi si dị Ada ụtọ na o nwetara ọrụ n'ihi nke a, ụtụtụ o soro ibe ya pụọ ma batakwa na mgbede. Nke a gosiri na ịnọ nkịtị abụghị ihe e ji mara ndị Igbo.

Odilora (1996:17) gosipụtakwara ịgba mbọ dị n'agbụrụ ndị igbo na ndụ Akụbụzọ onye nke bụ hedimasta n'otu ụlọakwụkwọ n'Abangwu ma bụrụkwa diji a maara ama n'obodo n'ihi ọba ji ya.

Ndị Igbo kwenyere n'ịkpata ego dị mma site n'okwu ha na-ekwu okwu sị; onye rụpuo akụ, o nwee ụmụ nna mana onye rụpuo ahụhụ, ọ taa ya naanị ya. Ha na-ezipụtakwa nkwenye ha n'aha ha na-aza dị ka, Akajiakụ, Omeego,

Akụkarịa, Akụbụzọ, Nwajiakụ dgz mana ha maara na ịkpata ego n'ụzọ ziri ezi bụ ihe dị oke mkpa ya mere ha ji ekwu okwu ndị a iji na-adọ ụmụ ha aka na ntị dị ka;

- Onye gbakarịa chi ya n'ọsọ, ọ gbagbuo onwe ya n'ọsọ.
- Ihe onye metara, o were isi ya buru
- Onye buru chi ya ụzọ, ọ daruo ala
- Nwata ajụghị ihe gburu nna ya, ihe gburu nna ya e gbuo ya dgz

N'oge ugbu a, ihe niile agbanweela n'ihi na ọtụtụ ndị ntorobịa achọghịzị ịkpa ego akpa kama ha chọrọ ibute ya ebute maka na onye kpara ego akpa na-akpachapụ anya mana onye bute ego ebute, o were ya na-eme ihe masịrị ya buru n'obi na echi, o bute ọzọ. Ịkpa ego bụ ịgba mbọ n'ụzọ dị mma wee kpata akụnaụba mana ibute ego bụ isi n'ụzọ abụla ụzọ nweta akụnaụba. Ọtụtụ ndị ntorobịa oge a achọghị ịma etu ego ga-esi bịa maọbụ ihe a ga-eme ka ego bịa naanị ihe ọ chọrọ ịma bụ sị gosi ya ụzọ ka o mee ihe ọbụla bute ego n'agbanyeghị ihe ọ ga-ewe. Ọ bụ ihe ndị ahụ ha na-emegasị enwe ego ka ha gbanwere aha ya si n'ọgwụ ego baa n'ibute ike maka na ebute ya ebute, ọ na-eru ka mmiri. Ọtụtụ na-akpọ onwe ha na obere nwa nwere nnukwu chi "small boy with big God". Ọtụtụ ndị ntorobịa na-ekwu okwu sị soro onye ma ụzọ "follow who know road".

Anaghị ekwuzị maka ndị na-ebu ọgwụ ike agafe mba ofesi kama ọ bụ ndị banyere n'ịgwọ ọgwụ. Na mbụ ihe a na-ekwu bụ ndị na-atụ ọrụ nke a maara ka ime "yahoo yahoo" nke ha na-eme n'ọwa ịntaneetị. Mgbe ọ malitere na mbụ, igwe e ji akụpụta ihe gara nnukwu ahịa maka na onye enweghị ya agaghị arụnwu ọrụ ahụ. "Yahoo yahoo" bụ aha mmirichukwu igwu wayoo nke onye ọbụla maara na ọ bụ mmadụ itigharị onye ọzọ anya wee napụ ya ihe tụmadị ego. N'otu aka ahụ, enwere yahoo nke na-asị asị ọcha iji napụta ndị mmadụ akatamkpo ego n'ịntaneetị. Ụfọdụ ji aha ụlọọrụ anaghara ndị mmadụ ego ebe ụfọdụ na-eji ịhụnanya maọbụ ime enyi anaghara ndị mmadụ ego n'intaneetị. Mgbe uche ndị mmadụ matarala ihe ha na-eme, ha bugharịa egwu malitezịa ịgwọ ọgwụ a kpọrọ "ekwu ekwe" nke a mara ka "ịsa ire". Nke ahụ si na "yahoo yahoo" baa "yahoo plus.". Ha na-eme nke a iji hụ na ihe ọbụla ha gwara onye ha chọrọ ịnapụ ihe na onye ahụ agaghị agbagha ya agbagha, ego ole ha kpọrọ aha ka onye ahụ ga-akwụnyere ha. Ya mere, ha na-achọ ndị ji nnukwu ego ma zụtachaa ngwaọrụ dị iche iche ha ji arụ ọrụ ha. Ngwa ngwa onye ahụ kwụnyere ụgwọ n'ụlọakụ ha, ịnụ ka ha na-ekwu na mgbada akwụtala ụgwọ maọbụ na isi onye ọchaa a daa. Ọtụtụ n'oge a na-emezị ya ka ụlọọrụ ebe a na-amụ ahịa nke ha na-akpọ "Hk" (hook up). Onye ọbụla nwere mmasị "ịtụ ọrụ" ga-aga na nke onye ọ chọrọ ka ọ mụgosi ya ọrụ ahụ soro ndị ọzọ binye, zụta ngwaọrụ dị iche iche ha ji arụ ọrụ ahụ, gbaa mbọ na-erubere ọga isi ma na-agakwa ozi ọbụla o ziri ya ganye na ọ mụchaa ọrụ ya wee kwuo persenteji ole ọ ga na-enye ọga mugosiri ya ọrụ mgbe ọbụla "mgbada kwụtara ụgwọ". Ụmụagbọghọ nwekwara na-emekwa "HK" a. Ha na-edila ụmụnwoke ji ego ka ha wee kpata ego. Nke a abụghị ịgba ashawo dị ka e si eme na mgbe gboo kama ọ bụ mgbe nnukwu mmadụ a maara ama ga na-ahaziri ndị ji ego ụmụagbọghọ dị ka ha chọrọ. Ụmụnwaanyị a na-arụ ụlọ ebe ha na-enye ụfọdụ ụmụagbọghọ a ndị enweghị ebe obibi mana ndị nwere ebe ha bi na-esi n'ụlọ ha abịa ọrụ ma ha nweta ndị ahịa. ihe ọ bụla onyeisi ha nwetara, ọ kee ya dị ka ha si kwekọrịta n'etiti ya na nwaaghọghọ ahụ.

N'akụkọ otu okorobịa kọrọ nke achọghị ka a kpọ aha ya kọrọ, ọ kọwara na a na-achụ aja dị ka ntuziaka dibịa gwọrọ ọgwụ ahụ si dị nke gụnyere iweta ndụ mmadụ, akụkụ ahụ nwaanyị, ihe nwaanyị ji nọcha na nsọ ya, idila onye ara maọbụ nne ha/ nwanne ha, iri nsị ha maọbụ weta ihe ha ji bụrụ nwoke. O kwukwara na e nwezịrị ihe ndị ha na-eme kwa ọnwa maka na ha kwenyere dị ka akwụkwọ nsọ kwuru na onyinye onye na-akwara ya ụzọ dị ka; ịleta ndị nọ n'ụlọ nga, inye ndị enwe nne na nna ihe, inye ndị mmadụ ego na aja nke a na-adọba n'okporoụzọ n'etiti abalị. Ọ kọwakwara na e nwere nsọ a na-asọrọ ọgwụ ahụ tụmadị mgbe onye ahụ na-achọ ka ọ bughara ego ndị mmadụ mana nsọ ndị anaghị abụ otu ihe. O nwere ndị nke ha bụ na ha agaghị asa ahụ, eri nri e ji mmanụ nri sie, enye onye ezinaụlọ ha ego maọbụ nyere onye ọzọ aka kama o nye onye ahụ ihe ọbụla ọ chọrọ iri maọbụ ṅụọ dgz.

E nwezịrị ndị butere "oke ite". **Oke ite** bụ ịwekọta anụmaanụ dị iche iche, ahịhịa na akụkụ ahụ mmadụ tinye n'ite ụlọ, were akwa ọchọ wee kee ya ma sinye ite ahụ n'ọkụ. Ọ bụ ụzọ dị mfe ndị ntorobịa si akpata ego ngwangwa. Nnatuanya (2022) kwuru sị;

> "Oke ite bụ ngwakọrịta anụmaanụ dị iche iche, akwụkwọ ọgwụ, akụkụ ahụ mmadụ nke a chịkọtara ọnụ ma were akwa ọcha kekọọ ha wee tinye n'ime ite aja ụlọ sinyezie n'ọkụ ka ọ sụkọọ ọ nụ wee kpawa ike o kwesịrị. (ị ga-ahọrọ ndụ nkwụ elu karịa ngwọ). Nke a bụ ụzọ ndị ntorobịa si akpata ego ngwa ngwa ma mara ntaramahụhụ so ya. O nwereike iwepụ ndụ onye ahụ kwesịrị ibi n'elu ụwa, mee onye ahụ o kpuo isi, ọ gaghị atụbanwu nwaanyị ime maọbụ nwere ndụ ndị onye ahụ hụrụ n'anya.





Ọ kọwara na e nwere aha obodo dị iche iche na-akpọ ya dị ka ndị Ayamelum na-akpọ ya "oruru" (luck charm) ebe ndị ọzọ na-akpọ ya "awele" mana ndị ntorobịa na-akpọ ya "yahoo plus". Ọ gara n'ihu kwuo na oke ite bụ ihe ana-enye ọbara anụmaanụ ihe emedo kwa ọnwa, afọ maọbụ n'etiti afọ dị ka ntuziaka dibịa mere ya si dị. Onye hapụrụ ịchụ aja nke ya nye ite ya ga-anata ntaramaahụhụ so ya nke nwere ike itipu onye ahụ ara maọbụ wepụ ndụ ya.

A hụkwara ụfọdụ ndị ntorobịa akaọrụ ha bụ ịtọrọ mmadụ, igbu mmadụ na ire akụkụ ahụ mmadụ n'ihi ego nke mere na egwu ji ndị mmadụ n'ala Igbo etu e si atọ ma na-egbusisi ndị mmadụ. Bamigbola (2021) kọrọ maka Tajudeen Monsuru dị afọ iri atọ onye nke ndị uwe ojii nọ na Ọshun steeti jidere na Jenụwarị 5, 2021 maka igbu mmadụ abụọ nke gụnyere enyi ya nwaanyị Alani Mutiyat. Nwaokorobịa a na-egbu mmadụ ma na-eresị ndị amụma ụgha akụkụ ahụ mmadụ dị iche iche iji gwọọ ọgwụ dị aṅaa ma were ego o retara na ya wee meta onwe ya mma. O kọwara n'ajụjụọnụ a gbara ya na etu o si enweta ndị a bụ ịgba mbọ mee ka ha tụkwasa ya obi wee mesagharịwa ahụ ma ya na ha nọrọ. Ha na-eri, ṅụọ ma rahụ n'otu akwa ndina tupu o pigbuo onye ahụ. Ọ bụ etu a ka o si gbuo enyi ya nwaanyị na otu nwaokorobịa ọzọ enyi ya nwoke Akeem kpọtara n'ụlọ ya. O kwuru na o resịrị otu nwoke Lukman Garuba dị afọ iri atọ na otu anụ mmadụ puku narị naira abụọ mgbe ọ chọrọ ịgwọ ọgwụ ego.
E nwere ụfọdụ ndị a maara na-esi oke ite a dị ka; Akwa ọkụkọ, Akanaasaụchụ, Eke hit dgz.

**Ibute ike** pụtara mmadụ ime ihe ọbụla iji nwee ego. Ọtụtụ ụzọ e si achụ ego a bụkarịrị ụzọ dị njọ maọbụ ụzọ gọọmenti machiri dị ka ịgwọ ọgwụ nke e ji ndụ mmadụ na anụmanụ agwọ, ibu ọgwụ (ntụ), ịtụ ọrụ (yahoo plus), ire mmadụ, igbu na ire akụkụ ahụ mmadụ dgz.

**Ihe Kpatara Ọchịchọ "Ibute Ike" (Ego Mbute)**

E nwere ọtụtụ ihe nwere ike ibute ọchịchọ "ibute ike" na ndụ ndị ntorobịa n'oge ugbu a dị ka;

- Enweghị ezi ụkpụrụ ezinaụlọ.
- Ọchịchọ isonye n'ihe a na-eme ma na-ama aka ihe e ji ego eme.
- Mmasị ịdị ka ndị a na-anụ aha ha anụ ma nata nsọpụrụ n'ebe ọbụla ha batara.
- N'ihi n amba Naịjirịa mere ya na ọ bụ onye jide ego, o jide ikike. Ndị ntorobịa chọrọ inwe ikike.
- Ume ngana na anya ukwu. Ọtụtụ enweghị ike ịrụ ọrụ ka ha kpata ego akpata mana ha chọrọ ịbụ "Dangote".
- Etu ụfọdụ ndị nne na nna si e ji onye ọzọ atụnyere ụmụ ha n'ihi na onye ahụ na-eme nke ọma.
- E nwekwazịrị ndị chọrọ ibute ego ka ha wee chụta nwaanyị ọbụla masịrị ha n'ihi na ụfọdụ kwenyere na ụfọdụ ụmụnwaanyị agaghị atụpụrụ gị ọnụ ma ọ bụrụ na inweghị ego.

**Atụtụ**

Atụtụ bụ iwu e ji eleba anya n'isiokwu ọbụla iji mata ka ndị odee si ewebata ụfọdụ ihe metụtara iwu ndị ahụ n'ọrụ ha. Ọ bụkwa usoro e ji atụpụta nkamma odee.

A gbasoro atụtụ Saịkoanalisis wee mee nchọcha a. Uwaoma (1997) kọwara na Sigmund Freud bụ onye tụpụtara atụtụ a n'agbata 1856-1939 bụ dọkịta na mba Ọstrelia. Ọ bụ n'ihi ihe mmekpa ahụ ọ hụrụ na ndụ ndị ọ na-agwọ ka o ji tụpụta atụtụ a. Ọ kọwara na saikoanalis abụghị naanị atụtụ, kama ọ bụkwa ụzọ e wepụtara iji gwọọ ndị mmadụ ọrịa ime mmụọ. Freud tụpụtara otu ụzọ e si enyere ndị nwere ọrịa ime mmụọ aka nke ọ kpọrọ "mgbakọ

mmesapụahụ" nke a kpọrọ "free association" na Bekee. Nke a bụ ụzọ a tụpụtara ka o nyere ndị nwere ọrịa ime mmụọ aka ikwu ihe ọbụla batara ha n'obi etu o si dị ha na-ataghị okwu eze maọbụ chewe ihe ọ ga-ebutere ha. Ifejirika (2014:221-222) kwuru na atụtụ a na-eleba anya na mmadụ atọ pụtara ihe n'agụmagụ. Ha bụ: odee na ọnọdụ ime mmụọ ya, isiagwa na agwa ndị ọzọ pụtara ihe n'agụmagụ, ọgụụ na mmetụta agụmagụ nwere n'ebe ọ nọ.

**Iidi:** Nke a bụ akụkụ ime mmụọ mmadụ nke na-eme ka mmadụ kpaa agwa e kwesịghị ekwesị n'ihi na o cheghị ya eche. Ifejirika (2014:220) kwuru na ọ bụ akụkụ ime mmụọ mmadụ ebe ọchịchọ nke anụ ahụ na egwu wuru ụlọ obibi. N'ebe a ka ọchịchọ ihe arụ niile si apụta dị ka; ndakpo, ịkwa iko, izu ohi, ịtọ mmadụ, iwepụ ndụ, ịkpọ asị na oke iwe nke na-eduba mmadụ n'ịla n'iyi. Mpaghara ime mmụọ a anaghị eche echiche maka iwu, ọdịnala na nkwenye, ọtụtụ oge. Mmadụ ọbụla nwere mpaghara ime mmụọ a n'ime ya mana ihe dị iche bụ etu mmadụ si achịkwa onwe ya iji hụ na ọ naghị apụta ihe n'omume ya.
**Igo:** Nke a bụ atụtụ ime mmụọ mmadụ nke na-eche echiche maka ihe akparamaagwa ya ga-apụta tupu o ziputa ya. Ọ na-eche echiche banyere ihe ọ chọrọ ime, mkpebi ọbụla na mpụtara ya tupu ọ kpaa agwa ọbụla. Mpaghara ime mmụọ a na-arụ ọrụ dị ka onye nnọneetiti iidi na supaigo. Mmadụ ọbụla nwere mpaghara ime mmụọ a mana ụfọdụ ndị ejirila mmanya na-aba n'anya, ọgwụ ike na ịse ahịhịa menyụọ nke ha.
**Supaigo:** Nke a bụ mpaghara ime mmụọ mmadụ nke a na-ahụta dị ka akọnuche mmadụ. O na-eche echiche maka ihe ziri ezi tupu o nwee mkpebi n'ihe ọbụla o na-eme. Ndị nne na nna bụ ndị mbụ na-eguzobe mpaghara ime mmụọ n'ebe ụmụ ha nọ. Ka ha na-eto, otu dị iche iche na ọha obodo na-enye aka igbazi ezi akparamaagwa a.
Atụtụ saikoanalisis nwere ngalaba atọ iidi, igo na supa igo nke na-agbazi omume mmadụ na-eme maka na nkọwa Sigmund Freud banyere iidi gosịrị na ihe ọ na-achọ bụ naanị ihe ga-atọ anụ ahụ ụtọ ma ọ dị mma ma ọ dị njọ abụghị mkpa ya maka na ọ naghịị echemi echiche ime banyere mpụtara mkpebi ọbụla ọ chọrọ inwe maọbụ akparamaagwa ọbụla ọ chọrọ iziputa. Nke a pụtara ihe etu ndị mmadụ si achọ ihe n'ike ma ọ chara acha ma ọchaghị si gbute ya emechaa, a mara ihe ọ ga-apụta.

**NTỤCHA EJIJE NDỊ A HỌỌRỌ**
**NZIPỤTA "IBUTE IKE" NA ỌGHỌM YA**
***Eriri Mara Ngwugwu***
Akụkọ mere n'ejije a bụ akụkọ gbasara Okwuike Ogbunanjọ onye Iduma. Nwunye ya Orieji Ogbunanjọ kpọkọọrọ ụmụ ha gbalaa Iguedo malite ịza Oriakụ Okwundụ n'ihi arụ dị iche iche di ya kpara.

> Oriakụ Okwundụ: Ọ na-ezu ohi, na-atọ mmadụ, na-azụta ụfọdụ mmadụ ma na-egbukwa ha ewere akụkụ ahụ ha dị iche iche na-eresị ndị na-agwọ ọgwụ ego. A rịọrọ m ya ọtụtụ mgbe ka o wepụ aka enwe n'ofe mana ọ jụrụ ajụ. Nke mewara m obi bụ ụbọchị m hụrụ ochie igbe dị n'ụlọ anyị ịchọ ihe wee hụ otu ngwugwu mụ aghọtaghị isi ya. ka m tọpere ngwugwu a, ahụrụ m; isi, ire, anya na mkpịsịaka mmadụ. Ya mere m ji gbaga kọọrọ ndị uwe ojii ha wee bịa kpụrụ ya ma tụọ ya mkọrọ iri afọ abụọ mana o kwuru na ọzọ anya ya ga-akpara m, na ya ga-eji mma gbuo m dị ka ndị hụrụ ya ụbọchị a tụrụ ya mkpọrọ si kọọrọ m.

Nwoke a esila mkpọrọ pụta wee chọrọ ezinaụlọ ya bịa Iguedo, ka ozi ruru Oriakụ Okwundụ ntị, ọ maara n'agwọ nọ n'akịrịka mana nwa ya nwoke Okoto kpebiri igbu nna ha wee kpụrụ mma pụọ. Ọ hụrụ onye ọbịa n'ụzọ nke jụrụ ya ajụjụ gbasara nne ya, o chere na ọ bụ nna ha wee nwuchie ya n'akpịrị ka ọ kpụ okwu n'ọnụ togbuo ya. Ọ lọtara gwa nne ya na nwaane ya nwaanyị Uduakụ na nsogbu ha ebiela. Mana Okwuike mechara bakwute nwunye ya Okwundụ ma gbuo ya.
Onyekaọnwụ (1985:7-8) gosịrị ka Okwuike si egbu ma na-ere akụkụ ahụ mmadụ iji kpata ego.

> Akpọrọ m ya ọtụtụ mgbe rịọ ya ka o wepụ aka enwe n'ofe n'ihi na ọ dị ka aka mmadụ ma ihe o mere bụ ijide m kụọ m ihe tinka kụrụ paanụ. Nke mere ka m rịa ahụ otu izu ụka. Ụbọchị m hụzịrị ihe ka m anya ele bụ ụbọchị m gara na nnukwu ochie igbe dị n'ụlọ anyị ịchọ ihe wee hụ otu ngwugwu mụ na-akpataghị isi ya na ya. Ka m tọpeere ngwugwu a. Ahụrụ m isi mmadụ, ire mmadụ, anya mmadụ na mkpịsị aka mmadụ.
> Akpata oyi wee juputa m ahụ, ụjọ dị egwu tụrụ m ma o nyeghị m ọnụ iti mkpu. Ihe m mere bụ ịgbagaa ozigbo ga kọọrọ ndị uwe ojii, ha soro, ozigbo ozigbo gaa wee hụ ihe ndị a niile; ha malitere ozigbo chọwa ya, tutu aka ha kpara ya ebe ya na ndị otu ya na-aṅụ mmanya.

A hụrụ na ọchịchọ ibute ego tinyere Okwuike na ndụ ọjọọ nke bụ igbu na ire akụkụ ahụ mmadụ. O wetakwara nsogbu n'alụmalụ ha maka na ihe ọ na-eme amasịghị nwunye ya Okwundụ nke mere na ọ gara kpesara ndị uwe ojii maka ihe ọ hụrụ. Ndụ ahụ tinyere Okwuike na mkpọrọ. Akparamaagwa Okwuike zipụtara iidi n'ihi na ọchọrọ ime ihe ga-atọ anụ ahụ ya ụtọ n'agbanyeghị na ihe ahụ ga-anapụ onye ọzọ ndụ ya. O chere echiche banyere ihe ọ chọrọ ime, tulee ya ma mata na ọ dịghị mma ya mere o ji zoo akụkụ ahụ mmadụ ahụ ezo. Ọ dị mkpa na mmadụ ga-echemi echiche ime "supa igo" banyere ihe ọ bụla ọ chọrọ ime mata na ọ dịghị ajọ ihe ọ bụla enweghị ụgwọ naanị nwamgbe nta.

***Ije Ego***

Ejije a gbadoro ụkwụ n'ihe na-eme n'oge a tụmadị etu ụmụokorobịa si akpata ego n'ike n'ikpeazụ nsogbu karịrị ha dakwasa ha. A hụtara nke a n'agwa aha ya bụ Ikpeama onye nke nna ya Okonkwo na-akwanye ka ọ lụọ nwaanyị n'ihi na ndị ọgbọ ya niile alụwala nwaanyị mana ọ maara na nwa ya enweghị ego ọ ga-eji mee nke ahụ. O nwere ụbọchi chi na-efotara Okonkwo ịkọ nwa ahụ ọnụ ka o gaa kpata ego ka ụmụ nwoke ibe ya. Ka o kwukatara okwu a, Ikpeama malitere ịchọ etu ọ ga-esi kpata ego n'ụzọ abụla ụzọ iji mechie nna ya ọnụ. Ọ gakwuuru enyi ya Nnabụenyi rịọ ya ka o gosi ya ụzọ e si akpata ego n'ihi na ike agwụla ya etu nna ya si agwa ya okwu na-agbawa obi; enyi ya wee kweta ma gwa ya na naanị ihe ọ ga-eme bụ ịgwọ ọgwụ ego ma gwakwa ya na ọ ga-eri isi mmadụ tupu o nwee ụdị ego ọ na-achọ. Enyi ya nwoke, Nnabuenyi kpatara ego n'oge, lụọ nwaanyị ma mụta nwa naanị na ma nwunye ya ma ndị mmadụ amaghị na ọ bụghị n'oke ịgba mbọ ya ka o si kpata ego kama ọ bụ ọgwụ ego ka ọ gwọrọ wee kpata ego mana n'ihi okwu nna Ikpeama na-agwa ya n'ụlọ, Ikpeama kpebiri ịgwọ ọgwụ ego dị ka enyi ya nwoke.

Ọ bụ ezie na Ikpeama mechara kpata ego, lụọ ụmụnwaanyị asatọ ebe ọ na-achọ nwa mana akwa nwa ebeghị be ya n'ihi mkpebi igbu nna ya wee gwọọ ọgwụ ego. Ọ gara na nke dibịa gwọọrọ ya ọgwụ iji mata ihe na-eme ya na ndị nwunye ya. Odumodu gwara ya sị; "i gburu nna gị egbu were kpata ego. Ọ bụ ọbara nna gị ahụ i gburu na-eso gị. O nweghị ihe ị ga-emegide n'elu ụwa wee mụta nwa" ọ gwakwara ya na anaghị agwacha mmadụ ihe ọ ga-ahụ n'ọdịniihu mgbe a na-agwọọrọ ya ọgwụ kama ọ bụ onye ahụ ka ọ dịịrị iji anya ya hụ ihe na-eche ya n'ọdịniihu. Ka o kwuchara okwu a, Ikpeama gwara ya na ọ dịghị ihe ọ dị ndụ eme n'ihi na ihe e ji akpata ego bụ ka e gboo mkpa, mụta ụmụ ma dobere ụmụaka akụ mana ebe ọ bụ na ọ nweghị ihe ga-eme ka ọ mụta ụmụ na ndụ a, ihe ka mma bụ ka ọ nwụọrọ onwe ya. Ka o laruru, ọ chịrị ụdọ manye na faanụ kwugbuo onwe ya.

Nwokelue (2010:25-26), kọwara na ọ bụghị n'oke ịgba mbọ ka Nnabụihe si kpata ego kama ọ bụ ọgwụ ego ka ọ gwọrọ wee kpata ego mana n'ihi okwu nna Ikpeama na-agwa ya n'ụlọ, Ikpeama kpebiri ịgwọ ọgwụ ego dị ka enyi ya nwoke. Ha gara n'ụlọ nwa dibịa ga-agwọ ọgwụ ahụ.

> Odumodu: Ikpeama
> Ikpeama: Ee nna anyị
> Odumodu: Ị dịkwa nkwadowe inwe ego?
> Ikpeama: Eziokwu, eziokwu, adị m nkwadowe
> Odumodu: Maka na ihe e ji enwe ego abụghị ọkụ nwata gba ngada anya.
> Ajụkwa m gị ọzọ. Ị dikwa nkwadowe inwe ego?
> Ikpeama: Nna anyị adị m njikere
> Odumodu: Ọ dị mma nwa m, kama o nwere otu ihe ị ga-eme iji nweta ego ngwa
> ngwa.
> Ikpeama: Nna anyị, kedụ ihe ọ bụ?
> Odumodu: Ị ga-egbu nna gị were gwọọ ọgwụ ego
> Ikpeama: Nsogbu adịghị ma ọ bụrụ nna m. Aga m egbu ya were gwọọ ọgwụ ego.
> Kama nsogbu m bụ otu m ga-esi gbuo ya.
> Odumodu: Hapụrụ m nke ahụ. Amaara m otu m ga-esi gbu ya
> kama na gị kwere na nna gị ga-anwụ n'oge adịghị anya
> Ọdumodu: Ọ dị mma. Nsogbu gị alaala. Unu laruo ụlọ, mkpụrụ abalị atọ nna gị ga-
> anwụ. Ọ bụrụ na o mee abalị iri abụọ na asaa nna gị nwụchara, ị ga-
> enwe nnukwu ego.
> Mgbeke: (O kelee ya) Nna anyị ụtụtụ ọma (ọ zaghị ya). Nna anyị Okonkwọ ndewo,
> (o tụpụghị ya ọnụ). Nna anyị kulie na chi efola (ọ saghị ya okwu). Nna
> anyị (ọ gaa metụ ya aka ma ahụ ya jụrụ oyi. Egwu bịara Mgbeke n'ahụ, o
> bido tiwe mkpu)

Nke a gosiri na anyị kwesịrị ịkpachapụ anya n'ụdị okwu anyị na-agwa mmadụ ibe anyị tụmadị ndị nne na nna maka n'ikpeazụ, ọ bụ ha ga-aghọ mgbọ so ihe ọbụla pụtara n'okwu ahụ ma nke dị mma ma nke dị njọ.
Nwokelue (2010:41-42)

> Nnabụihe: Aha a! kedụ ihe ahụ i sịrị na iga-agwa m oge i bịarutere n'ụlọ
> m.
> Ikpeama: (o lee anya n'akụkụ ya abụọ wee kwuo okwu n'olu ala) enyi m
> nwoke, nsogbu dị.
> Nnabụihe: Gịnị mere?
> Ikpeama: O doro gị anya na mụ na nwunye m ebiela afọ ma a nụbeghị
> akwa nwa na be m.
> Nnabụihe: Nke ahụ bụ eziokwu

Ikpeama: O so n'ihe kpatara m jiri sị nwunye m na anyị ga-abịa na nke gị taa
Nnabụihe: O nwere ihe i gwara nwunye gị gbasara ọgwụ ego i gwọrọ?
Ikpeama: Mbanụ! Abụ m onye ara?
Nnabụihe: Mba, kama na a sịrị na onye ajụjụ anaghị efu ụzọ. Maka adịghị ama ama Ọnịcha gwara Obosi
Ikpeama: Biko, Nnabụihe enyi m, kedụ ihe m ga-eme banyere ajọ ọnọdụ a
Nnabụihe: Ọnọdụ gịnị?
Ikpeama: Ọnọdụ amụghị nwa m nụ
Nnabụihe: Gaa lụta nwaanyị ọzọ ga-amụrụ gị nwa
Ikpeama: N'ihi gịnị?
Nnabụihe: Ebe a bụ na Nkechinyere atụghị ime, ị ga-anọ na-ele ya sọ n'anya?
Ikpeama: Ọ kwa ya?
Nnabụihe: Eenụ. Ahụghị ka e mere, e mee ka a hụrụ.
(i.a 43) (Ikpeama mechala lụta otu ọmalịcha nwagbọghọ aha ya bụ Nneka. Ya na Nneka biri ọtụtụ afọ ma ọ tụghị atụ ọ mụghị amụ. Ọ gaa lụta nwaanyị ọzọ nke aha ya bụ Chịakụ ma otu abụ ezi. Ikpeama wee pụta otu ụbọchị kwaa akwa)
Ikpeama: Ewọ! Ike ụwa agwụla m (ọ na-ekwuru onwe ya) kedụ ihe m ga-eme n'elu ụwa a mmadụ nọ n'ime ya? Ọ bụ m gawa agawa ka ọ bụ m lawa alawa? Ike agwụla m n'ịlụ nwaanyị kwa mgbe. Alụọla m nwaanyị nke mbụ, lụọ nke abụọ, lụkwaa nke atọ ma ahụghị ebe agwọ abalị dowere isi. Aga m agakwanụ na nke Odumodu iji mata ihe mere nwaanyị jiri zawa Okeke n'aha. (o bilie gawa na nke Odumodu)
Odumodu: Nwoke m kedụ ihe i chọrọ ka m mere gị?
Ikpeama: Achọrọ m ịmata ihe butere na ọ nweghị ụmụ nwunye m tụrụ ime
Odumodu: Ọ gwụla ihe iji maka ya bịawa?
Ikpeama: Ọ gwụla nna anyị Odumodu
Odumodu: (ọ chịrị afa bịa n'ala wee bido kwuwe) Ikpeama, i gburu nna gị gboo were kpata ego. Ọ bụ ọbara nna gị ahụ i gburu na-eso gị. o nweghị ihe iga-emegide n'elu ụwa wee mụta nwa
Ikpeama: Mana nna anyị, ọ kwa gị gwọọrọ m ya bụ ọgwụ ego?
Odumodu: (n'olu ike) gịnị wee mezie?
Ikpeama: { gwaghịkwanụ m ihe ndị a
Odumodu: A naghị agwa onye isi na nnu atụghị ofe kama ihe a na-agwa onye isi bụ na mmanụ adịghị n'ofe. Ọ bụghị m ka ọ dịịrị ịgwa gị ihe ndị a kama ọ bụ enyi gị nwoke
Ikpeama: (o tie mkpu) eeyi! Arụ ememoo! Nnabụihe alapụtalam oo! Enyi m nwoke egbuọlụ m oo Chineke, ọ bụ gịnị ka m ga-emezị n'elu ụwa?Odumodu: Nwa m jide obi gị aka maka ọ bụ otu a ka elu ụwa dị
Ikpeama: Kedụ ihe m dịzị ndụ eme?

Nnabụihe na Ikpeama nwụrụ n'ihi ọgwụ ego. nke Nnabụihe katụ mma maka na ọ mụtara nwa mana Ikpeama amụghị nwa ọbụla n'agbanyeghị na ọ lụrụ ọtụtụ ụmụnwaanyị ebe ọ na-achọ nwa aka ya. Ọ hụla na ọ bụghị ihe akụilu na-ada na ntị ka ọ na-atọ n'ọnụ. Okonkwo tụnyekwara ndụ ya n'aka nwa ya n'ihi na o cheghị nsogbu ihe ajọ okwu ọ na-agwa ya ga-ebutere ya naanị ka nwa ya mebe nke ọma ka enyi ya nwoke ọ maghị ihe o mere nwee kpata ego.

A hụrụ ka ọchịchọ imeta anụ ahụ mmadụ mma na isonye n'ihe a na-eme si mee ka Okonkwo kwanye nwa ya n'ịgwọ ọgwụ ego nke bụ otu ihe iidi na-ebute. Okonkwo echemighị echiche ime banyere ihe atụmatụ ya ga-eweta "supa igo", Ikpeama nwa ya maara na ọ dịghị mma ịgwọ ọgwụ mana o chemighị echiche nke ọma na iwere nna ya tụọ ụtụ abụghị ya bụ isi njedebe. Ọ bụrụ na ọ jụchara enyi ya Nnabụihe ajụjụ nke ọma, ọ kaghị ịga n'ihu.

**IHE NDỊ A CHỌPỤTARA**

Site n'ejije ndị a, a chọpụtara na e nwere ndịiche dị n'ibute ike na ịkpata ego maka na onye na-ebute ike mbute na-eme ihe ọbụla iji nwee ego dị ka a hụrụ na ndụ Okwuike onye nke na-ere akụkụ ahụ mmadụ n'ihi ego. A

hụkwara ka Ikpeama si soro enyi ya nwoke Nnabụihe gwọọ ọgwụ ego iji kpata ego n'ihi na nna ya na-eji enyi ya nwoke atụnyere ya. Ọ gara n'ihu iji nna ya wee gwọọ ọgwụ ego.
A hụkwara na ọghọm na-eso mkpebi mmadụ ime ihe ọbụla "ibute ike" iji nwee ego n'ihi na o nwere ike iduba na mwepụ ndụ onye maọbụ onwe n'ikpeazụ.

**ARO**

- Ndị nne na nna kwesịrị ị na-ajụ ụmụ ha ajụjụ mgbe ha malitere iwebata ego o doro gị any ana ọkarịrị ha ma gbaa mbọ mata ma ọ bụkwa ihe ụmụ ha gwara ha na ha na-arụ ka ha na-arụ.
- Ndị nne na nna kwesịkwara ị na-etinye anya n'ihe ụmụ ha ji ekwentị na kọmpụta ha eme. Ma gbakwaa mbọ na-abịarute na mahadum iji mara ma ha a nọkwa ebe ha sị na ha nọ.
- Ọhanaeze kwesịrị ịgba mbọ mata etu mmadụ si akpata ego ya tupu ha etobe onye ahụ ma na-ajụli ya
- Ndị ụka kwesịkwara ịmata ebe onye si akpata ego ọ na-enye ha n'ụlọụka.
- Ọ dị mkpa ka gọọmentị gaa n'ihu ijidecha ndị niile a na-agbanyere ndị ntotobịa aja n'ukwu site n'imere ha oke ite a ma maa ha ikpe n'ihi na ha na-emebi omenala na ọdịnala ndị Igbo site n'ajọ akparamaagwa ha.
- E kwesịrị ka onye ọbụla e jidere ajọ ọgwụ maọbụ ahụ mmadụ n'aka ya gaa nga mkpụrụ ọka.

**NCHỊKỌTA NA MMECHI**

Ịkpata ego n'ụzọ abụla ụzọ "ibute ike" na-eme ndị ntorobịa na-etinye aka n'ihe ọbụla ha nwere ike iji hụ na ha nwere ego n'agbanyeghị ihe ọ ga-apụtara ha n'ikpeazụ. Ụfọdụ bụ ọnọdụ ha hụrụ onwe ha n'ime ya na-eduba ha n'ọnọdụ ime ihe ọbụla ha hụrụ wee nwee ego dị ka Nwokelue (2010) zipụtara n'ejije ya. E nwere ndị ọ bụ okwu mmadụ ibe ha gwara ha tinyere ha inwe mkpebi na ha ga-agwọ ọgwụ ego "igbu mmadụ ibe ha". Nke a pụtara ihe n'agwa Nnabụihe onye nna ya Okonkwo gwagidere ya okwu ọjọọA wee kpebie ime ihe ọbụla iji kpata ego.
Ndị mmadụ kwesịrị ịmata na ego ọbụla a kpatara n'ụzọ abụla ụzọ ọkacha n'ụzọ dị njọ nwere ọghọm ọ na-ebute nke nwere ike ibute iwepụ ndụ onwe na onye n'ikpeazụ.

**EDENSIBỊA**


Bamigbola, B. (August 8, 2021). "Greedy Youths Eụplore Money Rituals, Internet Fraud As Gateways to Success, Meet Dangerous Ends" in Punch Newspaper. Retrieved from http://www.punchng.com on December 25, 2022.

Ifejirika, E. (2014). *Introduction to Literary Theory, Criticism and Practice.* Awka: Mabcom Systems.

Nnatuanya, C.E. (2022)." The Rise of Oke-ite Ritual among the Contemporary Igbo Youths: The Socio-Religious Implications" *An African Journal of Contemporary Research*, .3(2), 48-56.

Nwana, P. (1933). *Omenụkọ*. Lagos: Longman Publishers.

Nwokelue, R.M. (2010). *Ije Ego*. Onitsha: Noble Resources.

Odilora, U. (1996). Onitsha: University Publishing Company.

Onyekaonwu, G. O. (1985). *Eriri Mara Ngwugwu.* Ibadan: University Press.

Ubesie, T.U. (1973). *Isi Akwụ Dara N'ala*. Ibadan: Oụford University Press.

Uwaoma, N. (1997). *Introductory Psychology*. Lagos: Chinedum Publishers and Stores.